**CHETA NA IGA AZA AJUJU NDIA by C. Nebuwa and J.O. Ezeakunna 'A' ¾**

**CHORUS:**

Ma Chetakwa n'ikpeazu I ga-eje z'ajuju ndi a n'ihu Chukwu DC

**VERSES:**

1. Ngi onye uka na agwo nsi na-agba aja, I ji emegide mmadu:: ufodu k'igburu egbu-----; ufodu k'idebere odi ndu onwu ka mma. Ch.
2. Ngi nwokorobia jiri abali mere ehihie; jide ndi mmadu, nakoro ha aku n'uba ha; gbue ufodu egbue; I bukwa onye uka, nke emere mmiri Chukwu, kwuo aka n'isi---i------; matakwa na mkpuru obi ha kwu n'ihu Chineke na-ebe akwa------Ch.
3. Ngi nwagboghobia jiri afo ya mere ili ozu..n'ihi ite ime e; Chtakwa: umuaka ndi a I gburu n'afo, no na be Chukwu, buru anya mmiri, na-aru gi so aka……Ch.
4. Ngi onye otu Kristi, onye n'azo ala ndi ajadu; ndi enwe nne enwe nna, ndi uwa na-atu n'onu; mata kwa na akwa ha n'ebe n'ihi gi, akwa ha n'ebe..; n'erute Chineke nti: Ch.

